pro familia
Bayern

ÚGWÙ ỤMỤNWAANYỊ

OZI

www.profamilia.de

GINI BỤ IBI ÚGWÙ ỤMỤNWAANYI?

Na ibi úgwù ụmụnwaanyị, a na ewepụ akụkụ ime ahụ di na-akụkụ ma ọ bu ewepụ ha kpam kpam.

E nwere ibi úgwù na ụdị di iche iche.

E nwere ihe dị ka ụmụnwaanyị na ụmụaka ụmụnwaanyị nde naarị abụo (200 million) gburu gburu ụwa bụ ndị ebiri úgwù, dị ka UNICEF 2016 si a kọwa

GỊNỊ MERE E JI EBI NWAANYỊ ÚGWÙ?

Ibi úgwù bụ ọdinala ochie na ọdibendi na mba di iche n'iche

Ọmenala ndị a na-akọwa, na ibi ụmụnwanyi úgwù bụ maka ihe ndị a ga sị..

- ịdị ọcha na-amaghị nwoke nke nwaanyị
- i guzosi ike n'ebe di ya nọ
- na ọ dị mkpa ịbelata agụụ mmekọahụ nwanyị

Ọ DỊ MMA KA ị MARA

E nweghị okpukpe ụwa (religion) ma ọ bụ kwanụ okwukwe ụwa na enye iwu ka ebie ụmụ nwaanyị úgwù! Ndị njikọ europe, nke ndị bekee kpọrọ (EU) na-aha ịchafụ, na-enye nchebe pụrụ iche nyere ụmụnwaanyị tinyere akwụkwọ maka mgbapụ n'ihi na ana-akpagbu ha maka na ha bụ nwaanyị, (nke a gụnyerekwara ibi ụmụnwaanyị úgwù)

Na Germany, a na-akọwa ibi úgwù ụmụnwaanyị ka ihe mmerụ ahụ, ya mere iwu obodo ndị jamini jiri machibido ya.

A na-ata kwa ndị nne na nna ahụhụ, (iji maa-atụ bụ, ahụhụ ịtụ mkpọrọ) ma ọ bụrụ na ha n'eme atụmatụ ma ọ bụ kwanụ kpaa nkata ibi nwa ha nwaanyị úgwù ma ọ bu kwanụ ị kpọrọ nwa ha nwaanyị gaa mba ọzọ maka ibi úgwù.

KEDỤ IHE IBI ÚGWÙ PỤRỤ ỊNWE MAKA ỤMỤ AGBỌGHỌ NA ỤMỤNWAANYỊ?

- Nwanyị atụghị ime
- Ọrịa ala ala (dị ka ọrịa eriri afọ)
- Ihe mgbu ma nwanyị na-anyụ mmamịrị
- enweghị ike ijigide mmamịrị
- ihe mgbu mgbe mmekọrịta nwoke na nwanyị
- Nsogbu mmekọahụ nke n'ebute esem okwu di na nwunye
- Oke ihe mgbu na-ahụ nsogbu mgbe nwanyị na-ahụ nsọ
- Nsogbu n'ịmụ nwa
- Nsogbu ime uche, dị ka ịda mba n'obi (depression), nchekasị, nsogbu ụra ya na nsogbu iri nrị
- Ọnwụ ike nke n'esite n'ọbara ọgbụgba, na ọrịa mbute (ọrịa infection)

I GA-ACHỌKWA Ị CHEKWA NWA Gị NWAANYỊ?

Ọ na-esiri gi ike ị hapụ ọdinala gị?
Ndị ezinụlọ gị ma ọ bụ agbatobi na ndị gburugburu ebe obibi gị a-na e tinye gị na nrugide (pressure)?
Ọ gbasara ma ọ bu metụtara gị onwe gị nke mere gị nwee nsogbu ahụ ike n'ihi ibi ugwu?
I na atụ egwu wee nọrọ n'obi mmapu maka n'ihi ibi úgwù, ka ọ bụ nwa gị nwaanyị nọ na ihe egwu maka ibi úgwù?
I nwere ike ị kpọtụrụ anyị:

pro familia
Ingolstadt

Frau Linda Qasem, Tel.: 0163 - 3306982
Frau Evi Tietmann, Tel.: 0841 - 3792890
E-Mail: ingolstadt@profamilia.de
Website: www.profamilia.de/ingolstadt